**Eleventh Sunday of Ordinary Time-YEAR B- June 13th, 2021**
**UKA NKE IRI NA OTU**

**IHE OGUGU NKE MBU: Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Onye Amuma Izikel (17:22-24)**
Lee ihe Onyenweanyi Chineke kwuru: Site n'elu osisi seda, aga M esi n'ebe kacha elu na ngalaba ya gbajiri ome ya. Aga M eji aka M kunye ome osisi ahu na nnukwu ugwu di oke elu. Aga M akunye ya n'ugwu di elu nke Izrel. O ga-epuputa ngalaba, biakwa mia mkpuru: biakwa ghoo osisi seda di ebube. Udi nnunu nile ga-ebi n'okpuru ya. Anu ufe nile ga-ebi na ndo ngalaba ya. Osisi nile no n'ohia ga-amata na Mu onwe M bu Dinwenu, na-ewedata osisi ukwu ala, biakwa na-ewelite osisi nta elu; ma o bu M na-eme ka osisi di ndu kpoo nku, biakwa na'eme ka osisi kporo nku juputa na ndu. Mu onwe M bu Dinwenu ekwuola ya. A ga M eme ya!
**Okwu nke Oseburuwa Ekene diri Chukwu.**

**ABUOMA NA AZIZA YA: (Az 92): Onyenweanyi, O di mma inye Gi Ekele.**

1. O di mma inye Onyenweanyi ekele; ya na ikwere Gi bu Onye Kacha Elu ukwe otito. Biakwa na-ekwuputa obi oma Gi n'uzo ututu, bido kwa n'abali na- ekwuputa idi mma Gi ruo na chi obubo. **Aziza.**
2. Onye ezi omume ga-eto ogologo maa mma dika nkwu. O ga-etowapu dika osisi seda nke Lebanon. Ndi a kuru n'ulo nke Onyenweanyi ga-eto ogologo, maa mma n'ogige nke Chineke anyi. **Aziza.**
3. Ha ga-amigide mkpuru mee agadi; biakwa juputa na ndu gbasiekwa ike; na- ekwuputa ka Onyenweanyi si kwuba aka oto. Nkume m, onye na-ebughi oru o bula. **Aziza.**

**IHE OGUGU NKE ABUO: Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi Nke Abuo Pol di aso degaara ndi Korint (5:6-10)** Anyi juputara n'obisike mgbe dum. Mgbe o bula anyi chetara na ibi ndu n'anu ahu bu, isi na be Onyenweanyi kwapu, gbalaa n'obodo ozo. O buru na anyi jiri okwukwe biri, n'agbanyeghi ihe anya huru, ekwuru m na anyi juputara n'obisike, nke na, n'ezie, anyi choro ikwapu n'anu ahu, biakwa kwaba n'ulo anyi, nke di na be Onyenweanyi. Ma anyi bi n'anu ahu, ma anyi kwapuru n'anu ahu, ihe anyi bu n'obi bu, ime ihe na-amasi Ya. Maka na a ga-agba eziokwu nile banyere anyi n'anwu, n'ulo ikpe nke Kristi. Onye o bula n'ime anyi ga-erite ugwo kwesiri ya, maka ihe dum o mere n'anu ahu ma ha bu nke oma, ma ha bu nke ojoo.
**Okwu nke Oseburuwa. Ekene diri Chukwu**

**ALELUYA: Jn. 15:15:** ***Aleluya, aleluya!*** Onyenweanyi kwuru si: "Ana M akpo unu ndi enyi M, n'ihi na emeela M ka unu mata ihe dum Nna gwara M." ***Aleluya!***

**OZIOMA: Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di aso nke Mak dere (4:26-34)**
Jesu gwara igwe mmadu ahu si: "Lee ihe alaeze Chineke di ka ya. Otu nwoke ghara mkpuru n'ubi ya. Ma n'abali, ma n'ehihie; ma mgbe o no n'ura, ma mgbe o mu anya, mkpuru ahu na-epulite, na-eto. Otu o si eto, nwoke ahu amaghi! Ala ji aka ya na-eme ka mkpuru buru uzo puputa ome; biakwa meputa okooko; biakwa mita mkpuru kara aka n'ime okooko. Mgbe ihe a koro n'ubi chara o naghi atufu oge, o bido iwe ihe ubi, n'ihi na oge ya eruola. O biakwara si: "Olee ihe anyi ga-asi na alaeze Chineke di ka ya? Gini ka anyi ga-eji tunyere ya? O di ka mkpuru mostad, nke bu mkpuru kacha ibe ya ntakiri, na mkpuru osisi nile a kuru n'ala. Ma mgbe a kusiri ya, o too, buru osisi kacha ibe ya ibu n'ime ha nile. O na-etoputa buo ibu nwee ngalaba di ogologo nke na umu nnunu na-efe n'elu nweziri ike wuo akwu n'okpuru ya". O jikwara otutu ilu di otu a, gwa ha okwu ha nwere ike ighota. So n'ilu, n'ilu, ka o na-agwa ha okwu. Ma mgbe nani Ya na Umuazu Ya no, O na-akowara ha ihe nile. **Ozioma nke Oseburuwa Otito diri Gi, Kristi.**

**English**

**First reading: A reading from the book of the Prophet Ezekiel (17:22-24)**

Thus says the Lord GOD: I, too, will take from the crest of the cedar, from its topmost branches tear off a tender shoot, and plant it on a high and lofty mountain; on the mountain heights of Israel, I will plant it. It shall put forth branches and bear fruit, and become a majestic cedar. Birds of every kind shall dwell beneath it, every winged thing in the shade of its boughs. And all the trees of the field shall know that I, the LORD, bring low the high tree, lift high the lowly tree, wither up the green tree, and make the withered tree bloom. As I, the LORD, have spoken, so will I do. ***The Word of the Lord- Thanks be to God.***

**Responsorial Psalm (Ps. 92)**
**Response- Lord, it is good to give thanks to you.**
1. It is good to give thanks to the LORD, to sing praise to your name, Most High, to proclaim your kindness at dawn and your faithfulness throughout the night. **R.**
2. The just one shall flourish like the palm tree, like a cedar of Lebanon shall he grow. They that are planted in the house of the LORD shall flourish in the courts of our God. **R.**
3. They shall bear fruit even in old age; vigorous and sturdy shall they be, declaring how just is the LORD, my rock, in whom there is no wrong. **R.**

**Second reading: A Reading from the Second Letter of St. Paul to Corinthians (5:6-10)**
Brothers and sisters: We are always courageous, although we know that while we are at home in the body we are away from the Lord, for we walk by faith, not by sight. Yet we are courageous, and we would rather leave the body and go home to the Lord. Therefore, we aspire to please him, whether we are at home or away. For we must all appear before the judgment seat of Christ, so that each may receive recompense, according to what he did in the body, whether good or evil. ***The word of the Lord: Thanks be God***

**ALELUYA (Jn. 15:15):** ***Alleluia, alleluia*** *The Lord said*, *"I call you friends because I have told you everything I heard from my Father"* R. ***Alleluia, alleluia.***

**Gospel: A reading from the Holy Gospel according to Mark (4:26-34)**
Jesus said to the crowds: "This is how it is with the kingdom of God; it is as if a man were to scatter seed on the land and would sleep and rise night and day and through it all the seed would sprout and grow, he knows not how. Of its own accord the land yields fruit, first the blade, then the ear, then the full grain in the ear. And when the grain is ripe, he wields the sickle at once, for the harvest has come." He said, "To what shall we compare the kingdom of God, or what parable can we use for it? It is like a mustard seed that, when it is sown in the ground, is the smallest of all the seeds on the earth. But once it is sown, it springs up and becomes the largest of plants and puts forth large branches, so that the birds of the sky can dwell in its shade." With many such parables he spoke the word to them as they were able to understand it. Without parables he did not speak to them, but to his own disciples he explained everything in private. ***The Gospel of the Lord- Praise be to you Lord Jesus Christ.***